LONGMAN NIGERIA

LANGUAGE TEXTS: IGBO : OMENỤKỌ
OFFICIAL ORTHOGRAPHY EDITION

# OMENỤKỌ

OFFICIAL ORTHOGRAPHY EDITION

PITA NWANA

Frances W. Pritchett
Nigeria
November, 1983

VI/82E/N

# OMENỤKỌ

₦1.40

PITA NWANA

OFFICIAL ORTHOGRAPHY EDITION
transliterated by J. O. Iroaganachi
Re-illustrated by TONY KAMEN

LONGMAN NIGERIA

Longman Nigeria Ltd
Ikeja, Ibadan, Benin, Enugu, Ilorin, Zaria, Maiduguri, Jos and Uyo

Associated companies branches and
representatives throughout the world

© Longman Nigeria Ltd
(formerly) (Longman Group Ltd 1963)

All rights reserved. No part of this publication may be reproduced, stored in a retrieval system or transmitted in any form or by any means, electronic, mechanical, photocopying, recording, or otherwise, without the prior permission of the Copyright owner.

*New edition, transliterated into official orthography 1963*

*Thirteenth impression 1981*
ISBN 0 582 63611 6

Bertram Okolo: Omenuko publ. 1933; first novel written in Igbo to appear in print.

Transl. 1997

Printed in Great Britain

# AKỤKỌ BANYERE NDỤ OMENỤKỌ
# PITA NWANA
# DERE AKWỤKWỌ A.

## ISI IHE E DERE

N'akụkụ obodo anyị n'ime Africa, okwu a dị ka iwu e nyere enye; a na-asị ma ọ bụrụ na onye ọ bụla agaa n'obodo ọzọ biri n'ebe ahụ dị ka ọbịa ma ọ dị mma, ma ọ bụ onye ebere, ma ọ bụ onye amara, ma ọ bụ onye na-ekpe ikpe n'ụzọ ziri ezi, mgbe dum ihe ụfọdụ ga na-echetara ya na ya onwe ya bụ ọbịa, n'ala ahụ, ọ ga na-ejikere onwe ya na ọ ghaghi ịla obodo ebe a mụrụ ya. Mgbe ọ bụla a tụrụ ya n'ilu, ma a gwawara ya agwawa na ọ bụ ọbịa, ọ ghaghi ịla.

Iwu a siri ike. Ya mere onye ọ bụla nke nwere ihu ọjọọ nke mere ka ihere mee ya n'ụzọ ọ bụla, ọ ga-akwara ihe ya laa. Mgbe o ruru obodo nke a mụrụ ya, ọnụ nke ọ ga-ezute ga-akwụghachi ya ụgwọ karịa ihe ahụ dum ọ hụrụ n'obodo ahụ ebe ọ nọrị dị ka ọbịa. Ọnụ na obi ụtọ ka ndị ya ga-eji hụkwa nlaghachi ya. Na mgbe ọma ọ ga-ezi ndị ya ezi ihe ọ mụtara n'ọpụpụ ọ pụrụ, ọ ga-enwekwa oghere iwere ihe ahụ ọ mụtara rụọ ọrụ n'obodo nke ya. Ihe ndị a nile ga-ejikọta obi ya n'otu n'ịnụrị ọnụ, na-asị, "Obodo ọma, obodo ọma," dị ka akụkọ dị n'ime akwụkwọ nke a ga-ezi.

# ISI MBỤ

## MMALITE ỊZỤ AHỊA OMENỤKỌ

Omenụkọ nwere nne na nna. Nne ya mụrụ ha ụmụ ndikom anọ na ụmụ ndinyom abụọ. Nne ha na nna ha bụ ndị ogbenye. Ha enweghi ego ukwuu, ma ha nwere ji, ma ọ bụghi ọtụtụ. Ebe ha enweghi ego, ha weere ụmụ ha ndikom nye n'aka ndị ahịa bụ ndị na-azụ, na-erekwa, ka ụmụ ha were mụta ịzụ ahịa. Ma nwoke nke ahụ a na-akpọ Omenụkọ nọdụrụ n'aka onye na-ezi ya izụ na ire wee tolite. Aha onye nwe ya bụ Omemgboji. Nna ya ukwu wee nye ya ihe ọ ga-eji malite ịzụ ahịa nke ya. Omenụkọ wee kelee nna ya ukwu ekele nke ukwuu. Omemgboji sịrị ya, "Ka ihe dịkwara gị mma; ka ndị gị feekwa gị ofufe dị ka i fere m. Gaa nke ọma."

Omenụkọ wee zụwa ihe nke aka ya, ma ọ na-akwụnye n'ahụ nna ya ukwu, bụ Omemgboji wee na-azụ. O wee ruo mgbe o nwetara ego nke ga-ezuru ya, ọ hapụ nna ya ukwu.

Na mgbe ahụ o nwere nwa nta nke na-eso ya na-enyere ya aka n'ịzụ, na n'ire ahịa ya. Mgbe afọ na-aga n'izụ ahịa ahụ, o nweta ndị ọzọ a na-akpọ "Ndị na-ebu ibu". Ya onwe ya na-eto na-aga n'ihu n'ịba ụba. Mgbe ọtụtụ madụ hụrụ na ọ mụtara ịzụ na ire ahịa, ụfọdụ were nwa ha nye ya ka o zi ha ụzọ ha ga-esi azụ ahịa.



Mgbe ọ na-edu ọtụtụ madụ aga ahịa, o wee ruo n'otu oge ije, Omenụkọ wee zuọ ọtụtụ ihe, ihe ndị ibu ya na-ebu, na ibu nke ndị ọ na-ezi izụ ahịa. Ha dum wee bilie n'isi ụtụtụ n'ime ala anyị gaa otu ike ha ha. Ha rahụrụ ụra n'otu obodo a na-akpọ Umuduru Nsọ Ọfọ. Chi wee bọọ, ha ebilie ije ha ruo obodo ọzọ a na-akpọ Ụmụ Lọlọ, rahụkwa ụra n'ebe ahụ. Chi wee bọọ, ha ebiliekwa ruo obodo ọzọ a na-kpọ Ezi Nnachi. Ma site n' Ụmụ Lọlọ ruo n'Ezi Nnachi miri mara ha nke mere ka ha rahụ ụra n'ebe ahụ. Mgbe chi bọrọ ha wee bilie, ma mgbe ha dum ruru otu miri a na-kpọ Igwu, miri ahụ bụ oke miri dị ukwuu. O toro eto n'ihi oke miri ahụ nke zoro n'ụnyahụ. Miri ahụ nwere ogwe a na-esi agafe ya. Omenụkọ na ndị ya wee rigoro n'ogwe miri ahụ ka ha gafee.

Mgbe ha dum guzoro n'elu ogwe miri, eriri dum nke e ji kee ya wee dọbisie. Omenụkọ na ndị ibu ya na ndị ọzọ ahụ a na-ezi ịzụ ahịa wee daba na miri. O dighi onye ọ bụla chetara ebe ọ nọ. Onye ọ bụla n'ime ha na-achọ ịzọpụ onwe ya tutuu Ọbasị Dị N'Elu emee ebere madụ dum wee pụta. Ọ dighi onye ọ bụla miri riri. Ma ihe mere ka miri ghara iri onye ọ bụla bụ nke a. Madụ nile n'ala anyị maara igwu miri. Anyị ga-amata nke a site n'ahụ nwunye Omenụkọ. Ọ bụ nwa agbọghọ ma ya onwe ya maakwara igwu miri dị ka ndị ọzọ maara.

Miri ahụ tojuru etojụ, n'ihi ya ihe nile ha bu aga ahịa furu n'ime miri ahụ. Ụrọ ma ọ bụ



Omenụkọ na ndị ibu ya wee daba na miri.

atakere na ihe dị ka nkume jupụtara na miri ahụ nke mere ka miri ahụ na-aga ngwa ngwa, ngwa ngwa. Ọ bụrụ na ihe ọ bụla adaba na miri ahụ ọ ga-eburu ya n'otu mgbe ahụ bufuo. Madụ agaghi enwekwa ya ọzọ. Site n'ihi ya, ihe nile Omenụkọ nwere, bụ ihe nile o jiri bụrụ ọgaranya wee gwụsịa n'otu ntabi anya ahụ.

Omenụkọ wee saghee ọnụ ya tie mkpu, sị, "Ọbasị Dị N'Elu, ọ bụ gịnị mere Ị ga-eji mee ka m bụrụ ọ dị ndụ ọnwụ ka mma?" Madụ nile, ndị gaje ahịa wee soro ya kwaa akwa n'ihi ihe ya dum funahụrụ ya.

O wee sị ndị ya nile ka ha laghachi n'Ezi Nnachi. Ha wee laghachi dị ka ọ gwara ha. Mgbe ha ruru n'ebe ahụ, ndikom na ndinyom bi n'ala ahụ sooro ya kwaa akwa n'ihi ihe nke mere ya. Ma ihe ị ga-amata bụ na akụkọ ihe mere ya n'ime miri ahụ erughi obodo anyị n'ihi na ndị ala anyị agaala ije mkpụrụ ụbọchị atọ site n'obodo anyị. Ma ọ dịghi onye ọ bụla maara ihe dị Omenụkọ n'obi n'ụbọchị ahụ.

E mesịa, Omenụkọ kpọkọtara ndị ibu ya na ndị ọ na-ezi ịzụ ahịa, sị ha, "A sị na anyị alaghachi azụ ruo obodo anyị ghara ije ahịa nke anyị maliterele, o ga-abụ ihe a na-akpọ ihe rụrụ arụ n'anya, ma n'anya nna nna anyị ha ma n'anya Ọbasị Dị N'Elu."

Omenụkọ wee sịkwa ha, "Biko, nweenụ ntachi obi ka anyị wee ruo ahịa nke a, n'ihi na amụtara m ihe nke a site n'aka nna m ukwu bụ Omemgboji." Ọ kọọrọ ha akụkọ banyere otu nwoke

aha ya bụ Akpọ, onye Itu, otu ụgbọ ya si kpuo ihu n'Anyịm, nke bụ oke osimiri. Ihe ya dum dị n'ụgbọ ahụ wee fusie, ma nwoke ahụ bụ Akpọ alaghachighi azụ, kama ọ garuru ahịa ahụ.

Ha dum wee kwere, malite ije ha. Ma ndị ahịa ndị ọzọ jiri otu mkpụrụ ụbọchị jenahụ Omenụkọ na ndị ya. Site na nke a, ndị ahịa ndị ọzọ bilie n'obodo ka ta a, Omenụkọ na ndị ya ewere rute obodo ahụ n'otu ụbọchị ahụ. Ha na-eje otu ahụ wee ruo ebe a na-aga ahịa, bụ Bende. Omenụkọ na ndị ya wee batakwa na Bende n'otu ụbọchị ahụ na mgbe anyasị. Ma akụkọ banyere ihe mere ya nke buru ụzọ ruo Bende bụ na Omenụkọ achọghi ịzụ ihe dị ọtụtụ n'oge ije ahụ. Ọ chọghikwa izu ike. N'ime abali ahụ ha ruru Bende, o wee jekwuru ndị enyi ahịa ya, ndị nke na-agba ya madụ, sị ha, "Bịanụ ugbu a n'abalị, m jiri ihe ahịa bịa." O wee kọọrọ ha akụkọ banyere ihe mere ya na miri, na otu ihe ya dum si fusie, na ihe fọdụụrụ ya bụ madụ ole na ole ndị a. Ndị enyi ahịa ya wee tie mkpu sị, "Hee, hee, ọ bụrụ na ị zụtaghi ọtụtụ madụ n'oge ije a, a gara isi anaa kọọ nke a?"

Ọ sị, "Ihe ahịa m gaara igwụsị kpam kpam." Ha wee bịa. Omenụkọ wee resie ụmụ ntakịrị ahụ, ndị na-amụ ịzụ na ire ahịa, reekwa ụfọdụ n'ime ndị ibu ya, ndị bụ ụmụ okorọbịa, reekwa otu nwanna ya nwoke.

N'ime madụ ndị a ọ dịghi onye maara ihe Omenụkọ na-achọ ime ha. Omenụkọ wee kpọkọtaa ndị nile o rere ere na nwanna ya ahụ, sị ha,



"Nwoke a, a na-akpọ Mazị Ọjị, nwere ọmiko n'ahụ m n'ihi ihe mere m n'oge ije a. O wee sị m na ọ bụ ihe ihere dị ka otu ihe nile m ji azụ ahịa fusiri, na otu m ga-esi site n'ebe a gbara aka efu laa obodo anyị, mụ na ndị ibu m dum. Site n'ihi nke a, ọ sị m ka mụ na ndị ibu m ụfọdụ soro laa ta a, ma nwanna m nke a na ụfọdụ ndị ibu nọdụ ruo abalị atọ ka ya bunye unu ihe unu ga-ebughachiri m, ka m jide ya aka wee na-eku ume ndụ."

O wee were ego dum o retara na ndị nile o rere ere, zụsịa ihe dum madụ ji ala ala, kechie ibu ya, sị ndị ibu, "Bulienụ."

Ọ hapụrụ ndi nile o rere laa. O wee gwa ndị ibu ya sị ha ebe ọ bụ na ọ dịghi onye ọ bụla ya keere ibu dị arụ, na ha ga-eje ije mkpụrụ ụbọchị abụọ n'otu mkpụrụ ụbọchị, n'ihi na iwe juru ya n'obi karịa. Ha dum wee kwere ya dị ka o kwuru. Mgbe ha na-eje n'ụzọ, Omenụkọ nọ na-eche ihe ọ ga-eme banyere ụmụ ndị ọzọ o refusịrị. Mgbe ahụ mmụọ ya na-ama ya ikpe na ihe o mere adịghi mma, bụ irefusị ụmụ ndị ọzọ ahụ n'ihi na ihe mere ya abụghi ụka madụ, kama ọ bụ ụka Ọbasị Dị N'Elu. Ha wee ruo ala anyị na mgbe anyasị.

## ISI NKE ABỤỌ

## IHE OMENỤKỌ MERE MGBE O RURU ỤLỌ YA

Ọ dịghi onye ọ bụla nụrụ ihe mere n'ụzọ ije n'ihi na ndị ahịa erutebeghi ụlọ ma ọlị, ọ bụ nanị

Omenụkọ na ndị ibu ya ụfọdụ, ndị ọ na-ereghi, ndị o duuru laghachi azụ. Ọ dighi onye o bụla nụrụ na ihe ya dum fusiri na miri. Otu aka ahụ kwa, ọ dighi onye ọ bụla matara ihe mere ndị ibu ya na ndị na-amụ ịzụ ahịa n'aka ya.

Ọ dighi onye ọ bụla nụrụ ihe ahụ, ya mere o dupụ nwanne ya nke tọrọ nke nta, sị ya gaa n'ụlọ ndị isi obodo anyị na n'ụlọ ndị ọzọ, bụ ndị mụrụ ụmụ ntakịrị ahụ dum, ndị na-amụ ịzụ ahịa na ndị ibu ya, sị ka a kaara ha na ya, bụ Omenụkọ, na-akpọ ha n'isi ụtụtụ echi ya, ka ya kọọrọ ha ihe mere ya ji wee lọghachi mgbe ndị ahịa aka-aloghi. O wee sịị nwanne ya nwoke, ya gwa ha na ya sịị ha na ọ dighi mma ka ihe ọ bụla gbochie ha ịbịa n'isi ụtụtụ ahụ, n'ihi na, "Awọ adịghi agba ọsọ ehihie n'efu."

Nwanne ya nwoke wee gaa ngwa, gwa ha dum otu a gwara ya kwuo. Ma ụfọdụ n'ime ndị a gwara okwu a bụ ndị obi lụrụ miri, ha wee bilie n'abalị ahụ ka ha hụ ya anya tutuu chi abọọ, ma e leghi anya ọ ga-akọrọ ha isi okwu a n'abalị ahụ. Mgbe ndị ahụ batara n'ụlọ ya, ha ekelee ya ị lọ, o kwee ha nke ọma. Ha wee sị ya na nlọta nke ya tụrụ madụ nile egwu. O wee sị ha na ya onwe ya aghaghi ibili n'ehihie echi ma ya hụchaa ndị ya chọrọ ihụ n'ihi na ndị ibu ya nọrị na Bende, ha na ụmụ ntakịrị ya. Mgbe o kwusịrị nke a, ọ sị ha, "Biko, laanụ n'abalị a n'ihi na ike agwụka m."

Ha wee laa. Mgbe ha lasịrị, o wee tamuo sị ha, "Ndi oji ọsọ agbakwu ọgụ amaghi na ọgụ



bụ ọnwụ."

O ruo mgbe ihe ndị a gasịrị Omenụkọ wee kpọọ nwanne ya nke so ya, aha ya bụ Okorafọ, kpọọkwa nke ọzọ a na-akpọ Nwabụeze. Ọ kpọghi nke nta n'ihi na ọ dị nta. O wee jụọ ụmụ nne ya madụ abụọ ndị a ajụjụ, sị ha, "Ọ bụrụ na a sị na eree m ndị ahụ na-amụ ịzụ ahịa n'aka m, na ndị ibu m, gịnị ga-abụ ọnọdụ m ọzọ n'ụwa nke a?" Ha wee sị ya na ọ dighi ụtọ na ntị ịnụ ihe dị otu a. Mgbe ahụ ka ọ malitere ịkọrọ ụmụ nne ya ihe mere ya n'ụzọ, otu ihe ya dum, na ndị ya dum na ya onwe ya siri rịgoro ogwe miri, na otu miri ahụ, bụ Igwu, siri dọbisie eriri e jiri kee ogwe ahụ. Ha dum wee dakpuo na miri, na dị ka Ọbasị Dị N'Elu si wee zọpụta madụ dum, ọ dighi onye ọ bụla miri ahụ riri, kama na ihe ya dum fusiri. Nna nna anyị ha, na Ọbasị Dị N'Elu emee ya ọ dị ndụ, ma ọnwụ ka mma. O wee sịkwa, "Site n'ihi nke a ọnwụ ka m ndụ ụtọ ugbu a, aghaghi m ịnwụ. Ya mere ka unu chọwa ụzọ ndụ nke onwe unu, n'ihi na mụ onwe m ejikerele ịnwụ anwụ."

Ụmụ nne ya wee jụọ ya sị, "Ị ga-egbu onwe gị?" O wee sị ha, "Ee, chọwanụ ụzọ ndụ nke onwe unu." Ha wee sị ya na ihe nke a o mere adịghi nchefu n'ụwa, dị ka o weere obi ike resịa ụmụ madụ ibe ya, n'ihi na ihe ya dum dabara na miri. Ha wee jụọ ya ajụjụ sị ya, "Ọ bụ madụ mere gị ihe ọjọọ a?" Ọ za sị, "Ọ dighi onye ọ bụla mere m." O wee sị ụmụ nne ya ka ha chọọ ụzọ ndụ nke ha n'ihi na ya onwe ya na-eche ihe ọjọọ ọzọ nke karịrị iresị ụmụ ntakịrị ahụ.

Ụmụ nne ya wee jụgide ya ajụjụ, ahapụghi aka. O wee sị ha na ya akpọọla ndị eze oku, sị ha na ya onwe ya na-akpọ ha n'isi ụtụtụ echi, na ihe ya chọrọ bụ ka ya mee ka ya onwe ya na ndị eze ahụ na nna ụmụ ntakịrị ahụ e rere ere nwụọ n'otu mgbe ahụ, site n'ịmụnye ọkụ na banịrị nsi egbe abụọ dọ n'ime mkpụru ya, mgbe ahụ ya onwe ya ga-anwụ, ya na ndị ahụ dum. Nke a mere ka ya na-agwasi ha ike ka ha chọwa ụzọ ndụ nke ha. Umu nne ya wee tie mkpu n'olu nta, bụ nke ha gara iji olu ukwu tie. Ha asị ya, "Ee-e." Ha ehihiekwa isi ha sị ya, "Emela nke a, ọ bụladị nke i mere site n'iresị ụmụ nta ahụ, nke ahụ agaghi agwụ agwụ tutuu ụwa agwụ, ị na-achọ ime ọzọ? Ee-e, kama soro anyị gbafuo. Nke a dịkarịrị anyị mma, n'ihi na ihe nke i mere, a gaghi echefu ya echefu ruo mgbe ebighi ebi. Ihe dị otu a ka nna nna anyị ha na-akpọ nwa nwa tote o tokwuru. Nke pụtara na ụmụ anyị ga-ahụ ahụhụ banyere ya: ụmụ ụmụ anyị ga-ahụkwa ahụhụ banyere ya otu aka ahụ."

Site n'ihi okwu ndị a ụmụ nne Omenụkọ gwara ya, ha wee chigharịa obi ya. Ha nile wee nọkọtaa nzukọ n'otu. Ya na ụmụ nne ya wee kwurịtaa n'etiti onwe ha na ha ga-agbapụ laa obodo ọzọ, bụ Ndị Mgbọrọgwụ. Ọ bụrụ na onye ọ bụla ahụ na ya mere ihe ọjọọ nke ga-eme ka ya onwe ya ghara isokwa biri n'obodo anyị, onye ahụ ga-agbapụ laa obodo ọzọ ahụ, bụ Ndị Mgbọrọgwụ. Ma ọ bụrụkwa na onye sitere na Ndị Mgbọrọgwụ emee ihe ọjọọ karịsịa, ọ ghaghi ịgbapụ lata n'obodo



anyị. Ihe dị otu a malitere na mgbe dị anya nke m na-enweghi ike ịkọ ihe kpatara ma ọ bụ ihe butere ya. Ihe dị otu a ka ndị ala anyị na-akpọ "Iri mgbalata." Ya bụ ndị obodo anyị na ndị Mgbọrọgwụ na-eririte mgbalata. Ha wee kwekọtaa na ha ga-agbapụ laa n'ụlọ onye eze obodo ahụ. Aha ya bụ Mgbọrọgwụ. Ha wee rahụ ụra n'abalị ahụ, chi wee bọọ, ndị eze ahụ a kpọrọ oku wee bịa. Omenụkọ wee kunye ha miri ka ha wee saa ihu ha, saakwa aka ha. Mgbe ha kwọsịrị aka, sachaakwa ihu ha, o wee chee ọjị na ọkwa nzụ, ọ sị ha, "Ọ bụ ihe ọmiko nke ukwu ịkọrọ unu na ihe m dum fusiri na miri Igwu." O wee kọọrọ ha otu ihe o nwere ji fusịa, sịkwa ndị eze ahụ na ya onwe ya aghaghi ịgaghachi ọzọ n'Ezi Nnachi, ga soro ndị obodo ahụ chọọ ihe ya nke ọma, mara ma Ọbasị Dị N'Elu ga-enye aka ka e weta ọ bụladị egbe ya, n'ihi na miri agaghi adịkwa ukwuu mgbe ahụ. Ọzọ ọ gwa ha na ya aghaghi ịlọtakwa ngwa ngwa, mgbe ahụ, ụmụ ntakịrị, bụ ndị ahụ nke Mazị Ọjị sịrị ka ha chere ka o nye ha ihe Omenụkọ ga-eji emegharị aka, ga-erutekwa Ezi Nnachi, na ụmụ ntakịrị ahụ ga-enye aka n'ịchọ ihe ya.

Mgbe ahụ madụ nile meere ya ebere banyere ihe ya nke furu na miri.

Ndị eze ahụ wee laa, ọ kpọkwa ụmụ nne ya ọzọ jụọ ha sị, "Olee mgbe mgbapụ ahụ ga-abụ, ta a ma ọ bụ echi?" Ha wee sị ya, "N'abalị ta a ka ọ ga-abụ." Nwanne ha nwanyị bịakwara n'ihi ihe funahụrụ nwanne ya. Ha wee kọọrọ ya akụkọ

ihe mere n'ụzọ ije. O wee wute ya nke ukwu. Ha wee gwakwa ya na ihe ọzọ ga-esokwa ya bụ ịgbapụ laa obodo ọzọ. Ha wee sịkwa nwanne ha nwanyị na ọ ghaghi isoro ha gbapụ.

Nwanyị ahụ wee kwere n'otu mgbe ahụ n'ihi na ọ hụrụ na ihe nwanne ya mere abụghi ihe nchefu. Ha wee sị ka onye ọ bụla were ihe dị ya mkpa n'obi, ha na-ejikere na-echere abalị.

## ISI NKE ATỌ

## MGBAPỤ OMENỤKỌ NA ỤMỤ NNE YE

O wee ruo n'otu mgbe nta ahụ nke ha na-ele anya, ya bụ mgbe anyasị, ha mere ka ndị gaje ịrahụ ụra ngwa ngwa, gaa gbachie ibo ọnụ ụzọ ama ha, ka onye ọ bụla wee ghara ịbịa n'ụlọ ha n'abalị ahụ, n'ihi na ụfọdụ nọ n'ihu mgbarụ. O wee ruo mgbe ha chere na madụ nile agala n'ụlọ ha ịrahụ ụra, ha wee gwa nwanne ha nke aha ya bụ Nwabụeze, sị ya soro otu okporo ụzọ nke dị n'etiti obodo anyị ruo isi ngwụcha obodo anyị. O wee mee otu a laghachikwa ngwa ngwa. Ha wee jụọ ya sị, "Ọ dị ihe i hụrụ ma ọ bụ ihe i nụrụ?" O wee sị ha, "Ọ dighi nkpatụ ọ bụla m nụrụ; ọ dighikwa onye ọ bụla m hụrụ; ọ bụladị akwa ngwere, anụghi m, karịa na Ibe Ọfọ na-eti mkpu." Ibe Ọfọ a bụ onye na-awị (ma ọ bụ na-aghọ) ara a tụbara n'ime ụlọ mkpọrọ, tinyekwa mkpọrọ n'aka na n'ụkwụ.

Mgbe ọ gwasịrị ha ihe ndị a ha wee gaa gbaghee



ọnụ ụzọ ama ha. Ha wee kwuo otu ha ga-esi kuru ụmụ ntakịrị ha. Mgbe ha mesịrị nke a ha dum wee bilie pụta n'ihu ụlọ nke anyị na-akpọ obi, ya bụ ebe Omenụkọ bi, n'ihi na ọ bụ ụlọ nna ha.

Ha wee bilie gawa obodo Ndị Mgbọrọgwụ, ma tutuu ha agafesịa obodo anyị, ọ dighi nwoke ma ọ bụ nwanyị ọ bụla ha zuru n'ụzọ. Mgbe ha na-ebili ije ha, ihu elu igwe gbara ọchịchịrị hie nne. E mesịa miri zoro nke ukwu n'abalị ahụ. Site n'obodo anyị ha agafeeleri ihe dị ka mile asaa, site n'ebe miri ahụ malitere zowe.

Mgbe chi bọrọ ụmụ ntakịrị ndị na-abụghi nke ha, ndị bi n'ụlọ ụmụ nne Omenụkọ tetara n'ụra, lee anya n'ihụ, lekwaa anya n'azụ, ma ọ dighi onye ha hụrụ karịa ụlọ tọgbọrọ n'efu. Ha wee kwaa akwa. N'ihi nke a ndị agbata obi ha wee nụ akwa ụmụ ntakịrị ahụ, ha wee bịa ka ha mara ihe na-eme ha, ọ dighi onye ọ bụla nọ n'ụlọ ha karịa ụmụ ntakịrị ahụ na-akwa akwa. Ndị ahụ batara wee jụọ ụmụ ntakịrị ahụ sị, "Olee nna unu ukwu?" Ha wee sị ndị ahụ batara na ha amaghi ebe ha gara.

Ndị ahụ batara wee gbaa gburugburu ma n'ezi ma n'ụlọ ahụ dum, ọ dighi onye ha hụrụ. Ha wee tie mkpu sị, "Bịakwanụ du anyị leta ihe mere n'ebe a!" Mkpu ahụ wee ruo ọtụtụ madụ ntị. Ha wee gbara ọsọ bịa, hụ na Omenụkọ na ụmụ nne ya agbapụla. E wee họpụta ụmụ okoroọbịa ka ha chọwa ụzọ ha si. Mgbe ụmụ okoroọbịa ahụ laghachiri n'ehihie wee na-akọ na ha nụrụ kurutu a na-agba na Ndị Mgbọrọgwụ, ndị ala anyị wee

choọ ụzọ dupụkwa madụ ndị ọzọ sị ha, "Jeenụ ka unu chọpụta ma ọ bụ na Ndị Mgbọrọgwụ ka ha lara." Ndị ahụ e zipụrụ wee jee chọpụta na ọ bụ na Ndị Mgbọrọgwụ ka ha gbalara, n'ụlọ onye eze ahụ a na-akpọ Mgbọrọgwụ. Eze na ndị ala ya wee ṅụrịa ọṅụ na-agbakwa kurutu. Ọṅụ juru eze ahụ obi n'ihi na Omenụkọ na ụmụ nne ya dị ọtụtụ, bụrụkwa ndị kwara ezi ụdị madụ.

Omenụkọ lụrụ ndinyom atọ. Abụọ mụtaara ya otu nwoke na otu nwanyị. Okorafọ lụrụ ụmụ ndinyom abụọ, otu n'ime ha mụtaara ya otu nwoke. Nwabụeze nwere nwunye ma nwunye ya bụ nwa agbọghọ. Nwa nne ha nke nta na ụmụ nne ha ndinyom abụọ na nne ha sooro Omenụkọ. Site n'ihi na ha dị ọtụtụ, eze ahụ wee ṅụrịa ọṅụ nke ukwu.

Ndị ahụ e zipụrụ wee laghachi n'echi ya wee kọọrọ ndị ala anyị ihe mere, na ọ bụ n'ụlọ onye eze bụ Mgbọrọgwụ ka ha lara. Mgbe ahụ ụzụ tụrụ n'elu tụọkwa n'ala. Ndị ala anyị wee site na mgbe ahụ chewe ihe banyere ndị Omenụkọ duuru gaa ahịa Bende, bụ ndị na-amụ izụ ahịa n'aka ya na ndị ibu ya ụfọdụ ndị o rere. Ndị ala anyị wee họpụta madụ ụfọdụ ndị bụ dimkpa, ka ha gaa jụọ ihe banyere ndị ahụ o duuru ga ahịa. Ma ndị ibu ya ụfọdụ ndị sooro ya laghachi ahịa Bende, kọọrọ ha ihe ha matara banyere ndị ahụ ọ hapụrụ na Bende. Ha wee sị na mgbe ha jikeere ịlaghachi na Omenụkọ gwara ndị ahụ ka ha chere ndị ije ndị ọzọ, na Mazị Ojị ga-enye ha ihe ha ga-ebu laghachi.



Ma okwu ndị a nke ndị ibu ya ụfọdụ kwuru egbochighi ndị ahụ a họpụtara ije leta ihe bụ ọnọdụ ndị ahụ ọ hapụrụ na Bende. Mgbe mkpụrụ ụbọchị anọ gafesịrị, ozi wee laghachi site n'aka ndị ahụ e zipụrụ gaa Bende. Ha wee sị na Mazị Ojị sịrị na Omenụkọ resịrị ha ndị ahụ dum eresị.

Mgbe ndị ala anyị nụrụ okwu nke bụ na Omenụkọ resịrị ụmụ ntakịrị ndị na-amụ izụ ahịa n'aka ya na ndị ibu ya, ụfọdụ ha dị ka ndị ogbi, ụfọdụ bụ ndị akwa na-ekweghi akwapụ n'ihi ụmụ ha. Akwa a kwara n'obodo anyị n'ụbọchị ahụ na nke a kwara n'ụlọ ndị ikwu Omenụkọ n'ụbọchị ha gbapụrụ laa Ndị Mgbọrọgwụ dị ukwuu. Anya miri nke pụtara n'anya ụmụ madụ ụbọchị abụọ ruru dị ka miri nta. Ndị mụtara ndị ahụ e rere ere kwara akwa, ma akwa agaghi eme ka e nwetakwa ha ọzọ. Omenụkọ ahapụla ala anyị laa ala ọzọ ịnọ dị ka ọbịa. Ndị ikwu ya nọ na-akwa, ma ịkwa akwa apụghi ime ka e nweta ya ọzọ. Omenụkọ achọghi ịdị ndụ ma ya mesịa ihe ndị a o chọrọ ime ụmụ madụ. Kama ihe ọ chọrọ bụ ọnwụ, ma ụmụ nne ya ekweghi ya, n'ihi na ụzọ o siri chọọ ọnwụ adịghi ụmụ nne ya mma n'ihi na nke ahụ ga-abụ "Nziza zara ezi zara ụlọ." Nke a bụ ihe na-eme ka madụ na ndị ikwu ya na ndị ibe ya gwụsịa. Ha wee chepụta ka ha gbafuo, ha wee gbalaga Ndị Mgbọrọgwụ. Ọ bụrụ na Omenụkọ matara na ya ga-adị ndụ ruo ta a, ọ gaghi ererị ụmụ mmadụ ahụ. Ya na oke uche nọ mgbe dum n'ihi ihe ahụ o mere. Mmụọ ya mara ya ikpe nke ukwu, ọ bụ ezie na Omenụkọ

anọkaghi n'ala anyị n'oge ahụ, ma mkpụrụ obi ya enweghi ozuzu ike, ọ nọkwaghi n'otu ebe n'ihi ihe o mere.

## ISI NKE ANỌ

## NDỤ OMENỤKỌ NA NDỊ MGBỌRỌGWỤ

Eze Mgbọrọgwụ wee were Omenụkọ na ụmụ nne ya dị ka ndị yà. Eze Mgbọrọgwụ wee mee Omenụkọ dị ka onye odozi okwu ya, n'ihi na Omenụkọ a abụghi madụ nta. Nke ka nke, ya onwe ya bụ onye amamihe hie nne. O nwere uche n'ikwu okwu; ọ na-aghọta okwu ngwa ngwa, site n'ihi nke a e mee ya onye odozi okwu nke eze bụ Mgbọrọgwụ.

Onye eze wee meere ya ihe ọma dị iche iche ka obi wee dị ya ụtọ n'isoro ya biri, ghara inwe obi abụọ. Site n'ime ka obi na-atọ Omenụkọ na ụmụ nne ya ụtọ, onye eze edoghi ha dị ka ọbịa. O nyere Omenụkọ na nwanne ya nke aha ya bụ Okorafọ ebe ha ga-ewu ụlọ ebe dị nso n'ụlọ nke ya. Ma Nwabụeze ka o nyere ebe obibi n'ime ụlọ ya.

Onye eze a, bụ Mgbọrọgwụ, bụ onye eze ukwu nke anya na-ahụ. O nwere ego hie nne, nwekwa ji na ọtụtụ ede, nwekwa ewu na ọkụkọ otu ka ahụ. Ma otu ihe kọrọ ya nke na-echu ya ụra mgbe dum; o nweghi nwa nwoke toro eto. O nwere ụmụ nwoke ma ọ dịghi nke torole dimkpa. Ọ lụrụ ọtụtụ ndinyom ma ọ dịghi nke mụtara nwa n'oge. Ya mere ịba ụba ya erughi ya n'anya, n'ihi na ihe ndị ala anyị na-akpọ ụba bụ, ụba nke



onye nwere ego, lụọ nwanyị, mụta nwa nwoke nke ga-anọchi anya nna ya na mgbe ọ nwụrụla. Madụ dị otu a ka ndị ala anyị na-akpọ ọgaranya.

Mgbe ọtụtụ afọ gafesịrị, onye eze a bụ Mgbọrọgwụ, wee daa n'ọrịa. Dibịa ukwu abịa gwọọ, Eè, nke nta abịa gwọọ, ọ dịghi ụzọ. E mesịa onye eze ahụ na ọrịa jidere ya abụghị nke nta. Ya mere ọ kpọrọ ndị ya o chere na ha ga-enwe ike buru okwu dum ọ gaje igwa ha n'obi ruo mgbe ọnwụ ya bịara. O wee gwa ndị ya sị, "Nke a dị otu a, ya dị otu a." O wee sịkwa ha, mgbe ya onwe ya nwụrụ ha ekwela ka Warrant nke ya fuo n'ihi na nwa ya, nke bụ ọkpara ya, aka-etorughi dimkpa. Ọkpara ya ahụ, a kpọrọ aha ya Obiefula Mgbọrọgwụ mgbe a mụrụ ya.

Mgbọrọgwụ wee kwuo sị, "Ọ ga-adị m mma nke ukwu ma a sị na unu emee ka Omenụkọ were Warrant jidere Obiefula nwa m ruo mgbe ọ ga-enwe ike ịchịkọta obodo m. Ana m ekwu nke a ma ọ bụrụ na District Commissioner ekwe.

Okwu a na-ewute ndị Mgbọrọgwụ n'ime mmụọ ha, n'ihi na onye eze ọ bụla adịghi ekwu okwu dị otu a n'efu. Ọ bụ ihe dị otu a ka ndị ala anyị ji atụ ilu na-asị, "Ọ bụrụ na ọgaranya kere ekpe ma ọ nwụkwaghi, ihere ọnwụ ga-eme ya." Ma e mesịa onye eze ahụ anwụọ. Omenụkọ emee ka e lie ya n'ụzọ tọrọ madụ nile ụtọ.

E liri eze dị ka onye mụtara nwa nwoke. Site na nke a ụwa achighi ndị ya ọchị. Ihere emeghikwa ndị ya. Nke a ga-ezi anyị na Omenụkọ baara Mgbọrọgwụ uru ukwuu n'obibi o biri n'ụlọ ya.

# ISI NKE ISE

## EKPE NKE MGBỌRỌGWỤ KERE

Omenụkọ chọrọ ka ya mata ihe bụ uche ndị dị ndụ n'ụlọ nna ha ukwu bụ Mgbọrọgwụ. O wee lute maị, gbata ọjị, zụọkwa ewu, gbuo ya wee sie nri, kpọọ ndị ala ahụ dum, wẹ dozie nri ndị a n'ihu ha, wee sị ha na ọ bụ ha nwe ihe ndị a. Ndị isi ala ahụ wee kelee ya nke ọma. Ha wee malite rie, ṅuọkwa. Mgbe ha risịrị nri, o wee sị ha, "Bikọnụ ụmụ nna m, asị m ka m chetara unu ka anyị site n'ugbu a bụ ehihie, chọwa nwa ewu ojii, n'ihi na mgbe chi jiri, ọchịchịrị gbaakwa, anyị agaghị achọtakwa ya." O wee sị ha na isi okwu ya bụ nke a, na nna ha ukwu sịrị, "Amụtaghi m nwa toro eto, ma ọnwụ m na-abịa nso ugbu a, site na nke a, ọ bụrụ na anwụọ m, ka Omenụkọ jidere nwa m Warrant nke m ruo mgbe Obiefula ga-enwe ike ịchịkọta obodo m nke ọma." Omenụkọ wee sị ha na ọ bụ n'ihi nke a ka ya jiri wee tụọrọ ha ilu ewu ojii na ehihie na ọchịchịrị. Isi ya bụ na oge ahụ bụ mgbe ọma ịchọ uzọ jekwuru ndị Government gwa ha okwu banyere Warrant Mgbọrọgwụ dị ka ha chere. Ha dum wee sị na okwu a dị mma. Omenụkọ wee jụọ ha sị, "Ọ bụrụ na anyị ga-eme ihe a, ọ bụ ka olee mgbe?" Ma ọtụtụ n'ime ha kwuru sị, "Ọ dị mma isogide ya n'ọkụ a." Madụ nile wee kwekọtaa n'otu ihe ahụ. Ha wee jụrịtaa onwe ha sị, "Olee mgbe a ga-eje?" Ụfọdụ wee sị na ọ ga-adị mma ma ha mee nzukọ ọzọ n'abalị anọ, nke bụ na mgbe anyasị ụbọchị ahịa obodo anyị. Ha nile wee sị na ọ dị mma, wee gbasasịa. Ma ha mere nzukọ ọzọ nke Omenụkọ esoghi ha mee, n'ihi na ha achọghi ya ka ọ mata na ha nọkwara nzukọ ọzọ, n'ihi na ọ bụ ihe banyere ya ka ha na-achọ ikwu.

Ha we jụrịtaa onwe ha ajụjụ na-asị, "Anyị ga-ekwe ka Omenụkọ jide Warrant nke Obiefula ruo mgbe o toruru ịchị obodo? Ihe ọzọ dịkwa nke anyị ga-ekwu ihe banyere ya ta a, ka ọ ga-abụ ụbọchị anyị na Omenụkọ kara aka zuo, ka ihe ọ bụla ghara iju anyị anya n'ikwupụta n'ihu ya n'ụbọchị ahụ." Ajụjụ a nke ha na-ajụrịta onwe ha bụ, "Omenụkọ na Obiefula, onye ga-ebi n'ụlọ ukwu nna anyị?" Otu nwoke wee bilie za sị, "Ọ bụrụ na anyị ga-ekwe ka Omenụkọ bụrụ eze n'ọnọdụ nna anyị Mgbọrọgwụ ruo mgbe Obiefula ga-etolite, ọ ga-adị mma ka anyị kwenye ka Omenụkọ biri n'ụlọ ukwu nna anyị ruo mgbe ahụ." Ma ndị ọzọ sịrị, "Ee-e, nke a adịghi ụtọ na ntị. Obiefula ga-ebiri n'ụlọ ukwu nna anyị, ọ bụ ezie na ọ gaghi achịnị obodo ugbu a ma ọ ga-enwe ike ịgbanwe elu ụlọ atanị mgbe ụlọ diri njọ. Ihe dị nke ka ya ike ime ọ ga-akpọ Omenụkọ gwa ya. Ọ bụrụkwa na anyị ga-enye aka, Omenụkọ ga-agwa anyị, anyị ewee nye aka."

Ha dum wee kwekọtaa n'otu okwu a, na Obiefula ga-ebi n'ụlọ ukwu ahụ. Okwu a wee dị ha n'obi tutuu abalị anọ ahụ a kara aka wee zuo. Mgbe ndị gara ahịa laghachiri ha wee zukọtaa n'ụlọ Mgbọrọgwụ bụ onye eze. Omenụkọ wee

sị ha na ụka a kpara akpa na e ji isi ekwe ya. Ọ sịkwa ha, "Olee nke bụ ụzọ ugbu a?" Ha wee sị, "Ọ dị ihe ọzọ dị karịa ikwu ụbọchị a ga-ejekwuru District Commissioner?" Ha wee jụọ ụbọchị ọ ga-abụ, ma otu madụ n'ime ha wee sị na ihe ọzọ dịkwa nke ha ga-ekwu, mata ọnọdụ nke ahụ, tutuu ha ekwuo ihe banyere ijekwuru District Commissioner. Ha wee sị ya kwuo ihe ọ bụ ka madụ nile nụ. O wee jụọ ha sị, "Omenụkọ na Obiefula onye ga-ebi n'ụlọ ukwu nna anyị ukwu?" Otu nwoke aha ya bụ Ụba, wee sị, "Omenụkọ ga-ebi n'ụlọ nke ya onwe ya ma ọkpara nna anyị ga-ebi n'ụlọ ukwu a. A ga na-enye ya ozi dịtụ ike, ka o wee nwee uche, ọ bụrụ na anyị nọ na-eme ya nwa nwa mgbe dum, ihe nile ga na-esi ya ike n'omume. Ka anyị kwere na ọ ga-enwe ozi dị n'ụlọ nna anyị, dị ka igbanwe ụlọ atanị na ikpuchi aja mgbara na isoro na-ekpe ikpe n'ụlọ nna anyị na n'ime obodo. Ma anyị hapụrụ Omenụkọ nke dị n'ezi, n'ihi na nke ahụ bụ mgba na ọgụ nnadi."

Ha wee jụọ Omenụkọ sị ya, "Gịnị ka i kwuru banyere okwu a"? O wee sị ha na okwu ha dị mma nke ukwu. Ha wee jụọkwa Obiefula otu ihe ahụ. O wee za sị, "Mgbe nna m tụrụ ilu a sị na ọ bụ miri bụ ndụ azụ, anụrụ m ya. Site kwenụ n'ihi nke a, ọ bụ unu bụ ike m." Madụ dum wee kelee Ụba.

Ha wee chigharịa ihu ha na Warrant nna ha ukwu. Ha wee sị na ọ dị mma ijekwuru D.C. n'abalị ole na ole na-abịa, matakwa ihe ọ ga-ekwu.



Ha wee kwekọtaa ịgakwuru D.C. n'Awka n'ụbọchị mmalite ozi (Monday). Omenụkọ wee zụta otu nwa atụrụ na otu oke ọkpa na akwa ọkụkọ na ahụekere na-echere ụbọchị mmalite ozi ka o zuo. O wee ruo ụbọchị ahụ ndị ala ahụ na Omenụkọ na nwa ntakịrị ahụ, bụ Obiefula, wee gawa ịhụ D.C.

Mgbe ha ruru Awka ha ahụghị D.C. n'ụlọ, kama onye ha hụrụ bụ Paymaster. Paymaster wee jụọ ha sị, "Gịnị ka unu na-achọ?" Ha wee sị na ha chọrọ ịhụ D.C. Paymaster wee sị ha na ọ nọghi n'ụlọ, na ọ ga-alaghachi n'ụtụtụ echi ya. Ha wee kwurịtaa n'etiti onwe ha, na-emeghi ka Paymaster mara ihe ha kwuru. E mesịa Paymaster ajụọ ha sị, "Gịnị bụ uche unu?" Ha wee sị ya, "Isi ihe anyị ji bịa ugbu a bụ na D.C. gwara anyị sị mgbe anyị lisịrị nna anyị ukwu, bụ Mgbọrọgwụ, mesịa omenala ndị eze, ka anyị bịa gwa ya ka anyị siri mee."

Paymaster wee sị ha, "Ọ dị mma ka unu chere, echi ka ọ ga-anọ n'ihi na D.C. ukwu ga-abịa echi ahụ ma ọ bụ nwanne echi." Ha wee sị na ọ dị mma, laghachi n'ime obodo ga nọdụ na-echere echi ahụ. Mgbe ha nọ n'elu ala, ha wee kwuo na ọ bụ ihe dị mma dị ka e kwuru na D.C. ukwu ga-abịakwa n'ebe a nwanne echi. Mgbe ahụ D.C. nta na nke ukwu ga-edokọta ọnụ n'otu wee gwa ha ihe banyere ihe ha bịara.

Chi wee bọọ, D.C. nta wee lọta, ma Omenụkọ na ndị enyi ya achọghi ijekwuru D.C. nta, n'ihi na ha na-ekwurịta n'etiti onwe ha na ọ ga-adị

mma ma ha jekwuru ya mgbe ya na D.C. ukwu nọ, ka ha abụọ wee kwuo otu okwu. Ụbọchị nke onye ukwu ga-abịa wee zuo. O wee bịa dị ka e kwuru. D.C. wee nye akwụkwọ ozi sị ka a ga nye ode akwụkwọ ụlọ ikpe, ka o zipụ ndị ozi ụlọ ikpe, ka ha gwa ndị eze ụlọ ikpe na D.C. ukwu bịara, na ọ na-achọkwa ịhụ ndị eze echi. Onye ode akwụkwọ ụlọ ikpe wee mee dị ka D.C. ukwu gwara ya.

Omenụkọ na ndị ya na ha so wee chọpụta na D.C. ukwu na-achọ ndị eze dum echi ya. Ha wee sị na ọ ga-adị mma ịgwa ha okwu ahụ echi; okwu ahụ wee dịwa echi.

Mgbe chi bọrọ, ndị eze wee bịa jekwuru D.C. sị ya na ha abịala. O wee sị ha, "Ọ dị mma, cherenụ nwa oge nta." Mgbe nwa oge gafesịrị, ma D.C. nta, ma nke ukwu, ma Paymaster, ha dum wee pụta, ha ekelee ndị eze ekele, ndị eze ekeleekwa ndị Bekee sị, "Mọrny Mọrny." D.C. wee were akwụkwọ e dere aha ndị eze nile, kpọwa aha ha n'otu n'otu. O wee ruo mgbe ọ kpọrọ Chief Mgbọrọgwụ, Omenụkọ wee sị Obiefula ka ọ za. O wee za. D.C. nta wee gwa nke ukwu na nwanta ahụ bụ nwa Mgbọrọgwụ n'ihi na eze ahụ nwụrụ anwụ. D.C. ukwu wee sị na ebere mere ya nke ukwu. E mesịa ọ gwasịa ha ihe ọ na-akpọrọ ha. Amaghi m ihe ọ gwara ha, ma echere m na ọ bụ okwu banyere ọrụ a ga-arụ.

Mgbe D.C. ukwu hụsịrị ndị eze, Omenụkọ wee gwa Obiefula ka ọ sị D.C. na ha na-achọ ịhụ ha. Mgbe Obiefula kwusịrị nke a, D.C.



wee jụọ ha sị, "Ọ bụ gịnị ka unu chọrọ?" Obiefula wee sị ya na ọ bụ ịkọrọ ya na ha elisiele nna ha. O wee gwakwa D.C. ukwu na nke nta sị, "Nke ọzọ bụ na nna m kwuru ka unu nye Omenụkọ akwụkwọ ikpe ya ka o jidere m ruo mgbe m̄ ga-enwe ike ịchịkọta obodo."

Mgbe o kwuru nke a, Omenụkọ wee wepụta nwa atụrụ ahụ, na ọkụkọ, na akwa na ahụekere ahụ nye D.C. nta ahụ. D.C. nta wee jee kpọọ nke ukwu na Paymaster wee kọọrọ ha ihe ndị ahụ nyere ha na ihe ha kwuru. Ha wee kelee Omenụkọ na Obiefula na ndị nile ha na ha nọ.

D.C. wee jụọ ndị isi ala ahụ soro bịa, sị "Ọ bụ unu nile kwuru ka e nye Omenụkọ Warrant nna unu ukwu ka o jidere ya ruo mgbe Obiefula toro dimkpa?" Ha asị "Eee." D.C. wee sị na ha ga-ala n'ụbọchị ahụ, bịaghachi n'ụbọchị ọzọ. Ha wee laa, ọṅụ juru ha obi.

Site na mgbe ahụ, Omenụkọ wee malite ije ụlọ ikpe otu ugbo n'otu izu n'ime abalị asaa ruo mgbe D.C. ziri ozi ka ha bịa. Ya na nwa onye eze wee gaa. D.C. asị ha na Omenụkọ ga-esite n'ọnwa ọzọ bịawa n'ụlọ ikpe. D.C. asịkwa ya, "Gị onwe gị ga-enwe ndị ibu na ndị ọrụ na izitere mji." Omenụkọ wee sị ya, "Hapụ ihe ndị a, aga m eme ha ma ọ dịghị onye chetaara m ha." D.C. asị na ọ gwụsịa. Ha na-akpọ Omenụkọ "Chief," ha anaa ya aka, sị ya, "Ndeewo." D.C. ukwu na D.C. nta na Paymaster wee mee otu ahụ. Omenụkọ wee kelee ndị Bekee ahụ, "Mọrny Sir." Ha wee laa, Omenụkọ wee bụrụ eze n'ọnọdụ

Mgbọrọgwụ na nwa ya bụ Obiefula.

## ISI NKE ISII

## ỌCHỊCHỊ EZE OMENỤKỌ N'OBODO NDỊ MGBỌRỌGWỤ

Ikpe mbụ nke Omenụkọ soro ndị eze kpee n'ụlọ ikpe bụ ikpe onye ọrụ ụzọ na onye ọrụ ụlọ ikpe. (Onye na-eme ụzọ na onye court messenger.) Madụ abụọ ndị a lụrụ ọgụ. Ndị eze wee gbubie ha otu pound na shilling iri, otu pound na shilling iri, wee sị ha, "Alụkwala ọgụ ọzọ." Omenụkọ na-arụ ọrụ onye eze nke ọma n'anya Ndị Mgbọrọgwụ. Ọ na-elekọta ụlọ ya anya nke ọma, na-elekọtakwa ụlọ nna ya ukwu, bụ Mgbọrọgwụ, nke ọma. Ndị Government hụrụ na ọ bụ ezi onye eze nke na-arụ ọrụ ya nke ọma, o nwekwara ike na amamihe n'ọrụ.

Mgbe ya onwe ya na-aga ụlọ ikpe n'oge ikpe ya, ndị eze ndị ọzọ, ndị ya na ha bịakọrọ ụlọ ikpe, ọ bụghi madụ kọọrọ ha na nwoke a, bụ Omenụkọ, nwere uche, kama ha weere anya ha hụ, werekwa ntị ha nụ ajụjụ ọ na-ajụ ndị a gbaara akwụkwọ n'ụlọ ikpe ahụ. Ma mgbe ụfọdụ ha nwere ihe ha na-achọ ịgwa D.C. ukwu, mgbe ha nọ na-eche ụzọ ga-aka mma isi gwa D.C. okwu ahụ, e leghi anya Omenụkọ ga-achọta ụzọ madụ nile ga-asị na nke ahụ kacha mma. Ọ bụrụ na ị nọrọ ya



nso na-anụ okwu ya, madụ agaghi akọrọ gị na ọ bụ onye amamihe, kama ị ga-achọpụta ya n'onwe gị. Site na nke a madụ nile ndị na-achọ ịmụta ihe na-ejekwuru ya mgbe dum, na-achọ ndụmọdụ ya na ozizi ya, n'ihi na ọ na-eme ebere na-emekwa amara. Ọ bụ enyi ụmụ ogbenye, bụrụkwa enyi ndị dị elu. Nke ahụ pụtara na o nwere ịhụnanya n'ahụ madụ ibe ya. Site n'ezi uma Omenụkọ mere n'ahụ madụ ibe ya, ọ dịghi onye chetakwara na ọ bụ ọbịa n'ala ahụ ọ na-achị. Ọzọ kwa ọ dịghi onye chetakwara na ọ bụ Warrant Obiefula ka Omenụkọ ji achị ala. Ha adịghi akpọkwa ya onye ọbịa n'ihi na Omenụkọ na ụmụ nne ya na-alụ nwanyị n'ebe ahụ na n'obodo ndị ọzọ gbara ha gburugburu.

Omenụkọ na ụmụ nne ya na-enwe ji na ede nke ukwu, ha enweekwa ụmụ anụmanụ nke ụlọ, dị ka ehi na ewu na atụrụ na ọkụkọ na ụmụ elulu ndị ọzọ. Madụ ụfọdụ na-ere onwe ha n'ụzọ dị iche nke na-adịghi egbu ha mgbu n'obi. Ma n'obodo anyị madụ adịghi akpọ ihe dị otu a orire, kama anyị na-asị na onye ahụ jiri onwe ya gba ibe. Site n'ihe dị otu a madụ ụfọdụ na-ejekwuru Omenụkọ, sị ya, "Nna anyị ukwu, biko zọpụta m na mkpa m, n'ihi na ị gba nkịtị ndị iro m̄ ewere m." Mgbe ahụ Omenụkọ ga-ajụ onye ahụ sị, "Gịnị ka ị na-achọ ka m meere gị?" Mgbe ahụ onye ahụ ga-ekwupụta sị, "Nna anyị lee ikpere, leekwa isi ala, biko nye m ego ha otu a ka m nye ndị m ji ụgwọ ma mụ onwe m ga-abịa soro gị biri, na-ejere gị ozi abalị atọ werekwa otu ụbọchị

eje nke m, ruo mgbe m ga-enwekwa ike kwụghachi ego ahụ."

Ọ bụrụ na ọ bụ onye Omenụkọ na-amataghị nke ọma, ọ ga-ajụpụta onye ahụ nke ọma ụzọ o siri mee jide ndị ọzọ ụgwọ ahụ. Mgbe ọ jụpụtara nke ahụ, ọ jụọkwa onye ahụ ma ọ bụ onye ohi, ma e jidele ya n'ohi nke mbụ, jụọkwa onye ahụ ma ọ bụ onye ama.

Echere m na madụ ga-amata ihe onye bịara ibi ego a jụrụ ajụjụ ga-aza. N'uche m, echere m na onye ahụ ga-asị, "Ezubeghi m ohi nke mbụ, agbabeghi m ama nke mbụ." Mgbe Omenụkọ jụsịrị onye ahụ ajụjụ dị otu a, o nye ya ego dị ka ọ chọrọ. Onye ahụ aghaghi ịbịa soro ya biri dị ka onye ahụ kwere na nkwa.

Site n'ụzọ dị otu a ndị mbimbi sokwaara ya na ụmụ nne ya biri na-arụ ọrụ ubi ha. Mgbe ihe ndị a na-eme Omenụkọ abaalarị ụba karịa otu ọ bara mgbe ọ nọ n'ala anyị. Mgbe ọ nọ n'obodo anyị o nwere ndinyom atọ, nwanne ya bụ Okorafọ nwere ndinyom abụọ. Nwabueze kwa nwere otu nwanyị. Ma ugbu a ndinyom Omenụkọ dị asaa, ma ndị ukwu ma ndị nta. Ndinyom Okoroafọ dị anọ, ma ndị ukwu ma ndị nta, ndinyom Nwabụeze dị abụọ. Nwanne ha nke nta bụ Ogbonnaya nwere otu nwanyị.

Mgbe Omenụkọ chetara ihe mere ya na mgbe gara aga nke bụ iwi wiri ya, leekwa ọnọdụ ya ugbu a, o kelee Ọbasị Dị N'Elu, keleekwa ụmụ nne ya. Ma otu ihe dị nke na-eme Omenụkọ na ụmụ nne ya obi ọjọọ, bụ mgbe ha chetara otu



nwanna ha na ụmụ madụ ndị ọzọ Omenụkọ refuru. Ọ bụ ihe ebere ịnụ na ụmụ nne ya abụọ ndinyom ahụ nke sooro ha gbapụ na mgbe ihe ndị a na-eme anwụsịala ma ụmụ nne ya ndikom anọ adịghi nke nwụrụ.

Ndi ala Mgbọrọgwụ wee nwee nzukọ megide Omenụkọ na ụmụ nne ya sị, "Di ọkpara nna anyị, bụ Obiefula etoole dimkpa, a ga-agwa Omenụkọ ka o nyeghachi ya Warrant nna anyị ukwu." Ha wee chọpụta ụbọchị ha ga-ejekwuru Omenụkọ gwa ya ihe ha chere. Mgbe ha nọsịrị nzukọ ahụ ụfọdụ madụ n'ime ha we jekwute Omenụkọ kọọrọ ya ihe e kwuru n'ime nzukọ ha megide ya. Ndị nọrọ nzukọ a kwuru na ha ga-añụ iyi ka onye ọ bụla ghara ịla azụ n'ime okwu ahụ.

Ụbọchị ha kara ijekwuru Omenụkọ aka-erughi. Omenụkọ edepu jekwuru D.C. sị ya na ya onwe ya na-achọ ịpụ obi n'otu ikpa a na-akpọ "Ịkpa Oyi" D.C. wee jụọ ya sị. "Ndị obodo gị ị ga-eme ha aghaa?" O wee sị, "Ọ bụkwa mụ na ha ga-eso pụọ n'ebe ahụ". D.C. wee sị ya. "O! ọ ga-adị mma." O wee laghachi ga leta ikpa ahụ. Ọ tụghi sị ikpa ahụ bụ ọhịa ọjọọ, o cheghi nke ahụ, kama o weere obi ya nile tụkwasị ikpa a na-akpọ Ịkpa Oyi. A na-akpọ ya otu ahụ n'ihi na ọ bụ ebe a na-eli ozu ndị afọ toro, na ndị dara ibi na ndị kitikpa gbagburu na nwanyị dị ime nwụọ.

Na mgbe adịghị anya ndị obodo ahụ wee nọọkwa nzukọ ọzọ megide Omenụkọ na ụmụ nne ya, ñụọkwa iyi ka onye ọ bụla ghara ịla azụ

n'ime okwu a banyere Omenụkọ inyeghachi Obiefula, nwa Mgbọrọgwụ Warrant nke nna ya. Ụfọdụ n'ime ndị ahụ ṅụrụ iyi bịakwara kọọrọ onye eze, bụ Omenụkọ, sị, "Okwu e kwuru ekwu e ji isi ekwe ya." Ha kwuru okwu a n'ilu ka iyi ha ṅụrụ ghara igbu ha. Ma dị ka Omenụkọ bụ onye amamihe ọ ghọtara ihe ha gwara ya.

Ụbọchị ha kara ịgwa Omenụkọ okwu a wee zuo, ha wee zukọọ jekwuru ya n'isi ụtụtụ. Mgbe o meghere ọnụ ụzọ ama ya, ha wee bata, ha na ya wee kwerịtaa ekele ụtụtụ. Omenụkọ wee kpọọ otu nwanta na-ejere ya ozi, sị ya, "Kutere m miri ịkwọ aka." O wee gwakwa nwanta ahụ sị ya, "Gaa wetara m mkpụrụ ọjị abụọ na ọkwa nzụ." Nwa ntakịrị ahụ wee meekwa otu a. Omenụkọ wee sị ha na ọjị abịa. Ha wee sị, "Onye eze, mezie ọjị." Onye eze wee nye ha otu ka ha waa, ma ya onwe ya awaakwa nke ọzọ.

Otu nwoke ahụ aha ya bụ Ụba wee wereọkwa nzụ kpaa, gọwa ọfọ sị, "Ala taa ọjị, nna anyị Mgbọrọgwụ taa ọjị, Ọbasị Dị N'Elu taa ọjị, mmụọ na-emere anyị ihe taa ọjị, onye sị na nke m ekwesịghi m, o nweta nke ya, ọ gaghi ekwesị ya. Anọkwa m na egbe bere, ugo bere, nke sị ibe ya ebela, nku kwapụ ya." Ndị nile ahụ wee kwe sị "Ọ bụ ya wo." Omenụkọ wee were ọkwa nzụ kpaa, gọwa ọfọ kwa sị, "Ọbasị Dị N'Elu bịa were ọjị taa, nna anyị Mgbọrọgwụ bịa taa ọjị, ihe ọma mee, nke ọjọọ emela; ihe dịrị m mma dịkwara ndị iro m, ụtụtụ tụtụrụ ṅjọ, onye sị m nwụọ, ya buru ọkụkọ ụzọ lakpuo ụra." Omenụkọ



na ndị ya ekwekwa sị, "Ọ bụ ya nde!!!"

Ha wee sị ya, "Onye eze, anyị bịara ka anyị gwa gị ka i nyeghachi Obiefula, ọkpara nna anyị Warrant nke nna anyị n'ihi na o toruole dimkpa ugbu a." O wee sị ha na ọ dị mma, kwụọkwa sị, "Otu ihe dị nke unu mere jọgburu onwe ya. Echere m na unu mere nzukọ n'ịgwa m okwu ndị a." Ha wee sị, "Ee". Ọ sị ha na ọ dịghi ụtọ ịnụ, n'ihi na ọ bụ ihe iwu ka ha mere, na otu obodo nọrọ nzukọ megide otu madụ. O wee sị ha na ya onwe ya nwere ike itinye ha na mkpọrọ n'ihi otu ihe a ha mere. Ha wee sị ya, "Biko nna anyị etinyele anyị na mkpọrọ, kama nna anyị kwuo ụzọ a ga-esi mee ya ka o bie ngwa ghara ịpụta ụka." Omenụkọ wee sị ha, "Ụzọ nfe ya bụ ijekwuru D.C., gwa ya ihe unu kwuru na otu unu siri mee nzukọ n'azụ m, mgbe ahụ D.C. ga-agwa unu ma unu mere ihe ọma ma unu mere ihe ọjọọ."

Ha wee sị ya na ọ dị mma, sịkwa na ha ga-eche echiche bịakwa, gwa ya uche ha n'abalị ole na ole; ha wee laa. Mgbe ahụ ha mere nzukọ ọzọ na-agwaghi Omenụkọ. Mgbe ha jekwukwara ya ọzọ, ha wee sị, "Nna anyị ukwu, anyị bịara ka anyị rịọ gị ka ị gbaghara anyị, n'ihi na anyị bịara ka anyị sị na ọ dị mma mgbe gị onwe gị chere na ọkpara nna anyị etoruole ime eze ka o mee."

Omenụkọ wee jụọ ha sị, "Gini mere unu ekwule otu a na mbụ?" Ha wee sị, "Nke a bụ ihe anyị kwuru mgbe anyị zukọrọ na-achọkwa ka ị gbaghara anyị." Omenụkọ wee sị ha, "A na-ekwu

okwu sị na unu mere nzukọ mbụ megide m, unu ga nọọkwa nzukọ ọzọ megidekwa m. Iberibe ma ọ bu nzuzu ga-egbucha unu. Unu nwere ike ịsị D.C. na unu amataghi na ime nzukọ banyere otu onye n'azụ ya megidere iwu? Mgbe m gwasịrị unu na unu mebiri iwu, ọ bụrụ na unu amataghi, unu amataghikwa ihe m gwara unu? Laanụ". Ha wee laa.

Site n'ụbọchị ahụ Omenụkọ na ụmụ nne ya ejikere ịpụ obi n'Ịkpa Oyi ahụ n'ezie. Ebe ahụ a gaghi akpọ ya ala Ndị Mgbọrọgwụ n'ihi na a gafere ala nke otu mba ọzọ were ruo n'Ịkpa ahụ. Site n'ihi nke a, Ndị Mgbọrọgwụ enweghi ike ịga n'ebe ahụ imesị ya ụka ọ bụla. O wee kpọọ Ndị Mgbọrọgwụ, gwa ha na ya onwe ya achọkwaghi isoro ha biri dị ka ha bi na mbụ. "Ebe unu bụ ndị nna m ukwu, ma unu gara n'azụ nọọ nzukọ megide m na ụmụ nne m, site na nke a ọ dịghikwa ebe mgbaba ma ọ bụ ebe izu ike diịrị m, ebe unu echetaghi na abụ m onye zọtara ala na-efu efu, bụ obodo nke anyị a dị ka unu maara nke ọma. Ma ugbu a, unu echefusiele ihe ndị a, were m ka m bụrụ onye iro unu. Aga m akpọ unu nna m, ọ bụrụ na unu echefuole m, mụ onwe m agaghi echefu unu, ka ala ghara ịkụgbu m n'ihi na unu bụ ụmụ nna m. Ma dị ka unu gbakporo m izu n'azụ, unu agụpụla m n'etiti unu, dote m dị ka onye ọzọ. N'ihi nke a ọ ga-aka m mma ka m nọrọ dị ka onye mba ọzọ n'ezie."

Omenụkọ wee sị ha, "Aga m esite ta a wee chewe ihe m ga-eme banyere Warrant ahụ nke



unu gwara m okwu ya, ma anyị ga-ejekwuru D.C. ma ọ bụ na anyị agaghi ejekwuru ya." Ha wee sị na ọ dị mma, sịkwa, "Nna anyị chepụta ihe ọma echepụtala ihe ọjọọ." O wee sị ha, "Ihe ọma unu sị ka m chepụta, ọ dị ihe ọzọ unu na-achọ karịa inyeghachi Obiefula Warrant? Gụọnụ nke ahụ n'ihe e merele eme; laanụ". Ha wee la. Omenụkọ wee jekwuru D.C. sị ya "Ugbu a ndị ala m ekwekwaghi isoro m pụọ obi n'ebe ahụ m gwara gị, n'ihi na ebe ahụ bụ ọhịa ọjọọ. Ha wee sịkwa m, ọ bụrụ na m ahapụghi ịpụ obi n'ebe ahụ na ha ga-enwekwa onye eze ọzọ tinyere m, ọ bụrụ na otu esoro ndị bi n'ọhịa ọjọọ ahụ biri, ka otu soro ndị bi n'ụlọ biri." E kwuru okwu a ruo mgbe e kwere nkwa na a ga-enye Obiefula Warrant, ma ọ bụ nke nna ya ma ọ bụ nke ọzọ, mụ onwe m amataghi m. Omenụkọ gwasiri D.C. ike na ya onwe ya aghaghi ịpụ obi n'ịkpa ahụ mgbe o jikeresịrị ihe ya dum. D.C. wee sị ya, "Mgbe i jikeere mee ka m mara". Mgbe dum Omenụkọ na ụmụ nne ya nọ n'ozi ọrụ ụlọ ya. O ruo mgbe o nwetara ihe o ga-eji malite iwu ụlọ ahụ, o wee gwa D.C. na ya ga-ewu otu ụlọ n'ebe ahụ. O wee rịọ D.C. ka o nyere ya oghere ka ọ hapụ ihe ndị ọzọ dịrịị ya, che ihụ n'ọrụ ụlọ ya tutu ruo mgbe ọ ga-agwụsị.

D.C. wee jụọ ya sị, "Ụlọ gị a, olee mgbe ị chere ọ ga-agwụsi, otu ọnwa ma ọ bụ ọnwa abụọ?" Omenụkọ wee sị ya, "Ọnwa abụọ dị mma, ma ị nye m atọ ọ ga-adị mma karịsịa." D.C. wee sị ya na ọ dị mma, na mgbe ọ bụla ozi ahụ dịrị

mfe, ya mee ka ya mara, ọ burụ na ihe dị mkpa na ọ ga-ezite ozi kaara Obiefula ka ọ gwa ya, mgbe ahụ Omenụkọ ga-agwa ya ihe ọ ga-eme. Omenụkọ wee kelee ya, laa.

## ISI NKE ASAA

## NKWAGHARỊ OBI OMENỤKỌ NA ỤMỤ NNE YA

Omenụkọ na ụmụ nne ya wee kwagharịa obi n'Ịkpa Oyi. Ha wee nọọ ọrụ iwu ụlọ. Ebe ị matara na Omenụkọ na ndị ụlọ ya dị ọtụtụ, Okoroafọ na ndị ya dịkwa ọtụtụ; Nwabụeze na ndị ya; Ogbonna na nwunye ya na nne ha na ndị mbimbi, ndị bi n'ụlọ Omenụkọ ha. N'ihi ọtụtụ madụ ndị a ụlọ ha chọrọ iwu dị ọtụtụ. Ha wee chọọ ụzọ ma ndị Mgbọrọgwụ ga-enyere ha aka n'iwu ụlọ, ma ha ekweghi inyere ha aka. N'ihi nke a, Omenụkọ echeghi iwu ezi ụlọ na mmalite, kama ihe ọ chọrọ bụ ka ya jisie ike wute ụlọ nke ga-aba ihe ya na ihe nke ndị ya. O wee wuo ọtụtụ ụlọ n'Ịkpa Oyi, ma ụlọ ndị a dị nke nta nke nta. O wusịa ụlọ ndị a, ga gwa Ndị Mgbọrọgwụ sị ha, "Biko, bịanụ nyere anyị aka, iweta ihe anyị n'Ịkpa Oyi." Ha ekweghi. Omenụkọ wee sị ha, "O! echere m na ihe mere unu ekweghi bịa soro nyere m aka n'iwu ụlọ bụ na ebe m na-ewu ụlọ m bụ ọhịa ọjọọ, ma ugbu a ewusịa m ụlọ rịọkwa



unu ka unu nyere m aka ịkwafere m ihe m, unu ajụkwa. Ọ bụ ihe dị mma ka unu mere n'ebe m nọ?"

Omenụkọ na ụmụ nne ya wee mee ihe nile n'onwe ha, ma iwu ụlọ na ịkwagharị ihe ha dum. Omenụkọ wee jụọ Ndị Mgbọrọgwụ ma ọ dị onye ọ bụla nke na-achọ ịzụ ụlọ ebe ya na ụmụ nne ya biri. Ndị Mgbọrọgwụ, ụfọdụ madụ wee chee na obi Omenụkọ na ụmụ nne ya dị njọ n'ahụ ha, ha achọghi sị, "Ee, anyị chọrọ." Ma madụ, ndị na-echeta na ha na Omenụkọ bụ enyi wee sị, "Nna anyị, ọ burụ na ị ga-emeziri anyị ọnụ ahịa ụlọ ahụ, anyị ga-azụ ya." O wee sị ha, "Kwerenụ na unu ga-azụ, aghaghi m iresị unu." Otu onye wee pụta sị na ya chọrọ otu ụlọ, onye ọzọ wee pụtakwa sị na ya chọkwara otu ụlọ. Ha dị madụ ole na ole kwere na mbụ. E mesịa ha emee anya lere ibe ya, wee dị ọtụtụ bụ ndị chọrọ ịzụ ụlọ ahụ. O wee site n'ikwe ọnụ ahịa mara ndị chọrọ ịzụ ụlọ n'ezie. Site na nke a o wee mata onye ọ ga-enye ụlọ na onye ọ na-agaghi enye. O wee nyechaa ndị nile chọrọ ịzụ ụlọ ahụ n'efu, ma ụlọ nke ya ma ụlọ ụmụ nne ya.

O wee sị Obiefula ka o jikere onwe ya n'ụbọchị ndị sịrị na ha ga-abịa leta ụlọ ọhụrụ nke ya wuru bịachara laa, ka ya na ya jekwuru D.C. gwa ya okwu banyere Warrant nke ya. Obiefula asị ya, "Ọ dị mma, Mazị". Ndị ahụ wee bịasịa laa, Omenụkọ wee zie otu onye ozi, sị ya gaa gwa Obiefula na ha ga-eje n'ụbọchị atọ dị n'ihu, ga hụ D.C. Onye ozi ahụ wee jee zie dị ka o ziri ya.